***<u>Year C #772</u>***

***O, Holy Child of Bethlehem***

***Gị, Nwa Dị Nsọ Nke Betlehem***

***031204-2***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Ọ ga-amasị m ka i meghe **Akwụkwọ Luk isi abụọ** dịka anyị na-agụ ihe banyere obodo Devid. Ị maara nke a dịka ebe a maara n'ụzọ pụrụ iche nihi na a na-akpọ ya Betlehem. Betlehem nke Juda. Gịnị ka ị maara banyere obodo ahụ? Ugwu ya nke dị na mpaghara ọwụwa-anyanwụ bụ nke ndi Jebus biri na ya tupu Devid a dọrọ ya n'agha. Ọ bụ obodo dị n'elu Ugwu dị larị. A gwara anyị, site na ndi ọka akụkọ-ala, na o jiri ntụ fitii dị 2,500 dị elu karịa Osimiri Mediterranean ma jirikwa ntụ fitii 3,800 dị elu karịa Osimiri Dead Sea. Ndi Jebus chereri na ha nọ n'ebe ewusiri ike kachasị n'ogbe ha juputara na nkume maka nchekwa; ha nwereri mgbidi dị ikputu maọbụ gbasiri ike na ọnụ-ụzọ ama dị iche iche nakwa ụlọ-nche dị elu dị iche iche. N'ihe a maara, ha chere na ha nwere ezi nchekwa rue na kwara Devid na ndi Israel emo site n'okwu ndi a, "Unu rigota elu ebe a anyị nwere ndi ìsì na ndi ngwụrọ ndi ga-eme ka unu wezuga onwe unu n'ebe a!" Akụkọ nta a dị na **Samuel nke abụọ isi ise ahiri nke asatọ : Devid we si n'ubọchi ahu, Onye ọ bula nke netibụ ndi Jebus, ya jerue ebe miri si aga, we tibụe ndi-ngwurọ na ndi-ìsì, bú ndi nkpuru-obi Devid nākpọ asì. N'ihi nka ka ha nāsi, Ndi-ìsì na ndi-ngwurọ nọ; ọ gaghi-abà n. ulo**. . Ha amataghị maọlị etu Devid si bịakwute ha ma ọ dịghị

ihe ọ na-apụghị imezu nihi na Chineke kwadoro na ọ ga-aga ma were ogbe ala ahụ. I lepụtuwo anya n'iru ma hụta ọnọdụ ihe a na-apụghị mee banyere ihe chere gị n'iru ma chee na o nweghị ụzọ ọbụla a ga-esi merie nke a? Oo, lekwasị Jisọs anya na ihe Jisọs chọrọ ka e mee n'Aha Ya dị ike, bata n'ọgbọ ma were ogbe ahụ! E kwela ka Ekwensu were ya, ma n'Aha Jisọs dị ike, dabere na mmeri ahụ! Ma nye Onyenweanyị otuto ahụ niile!

Na **Samuel nke abụọ isi ise ahiri nke itolu,** anyị gụrụ - **Devid wee biri n'ebe ahụ ewusiri ike, o wee kpọ ya obodo Devid. . . .** N'obodo Devid, anyị hụtara ihe e kwuru banyere ya na **Maịka isi ise ahiri nke abụọ - Ma gị onwe gị, Bet-lehem Efrata, nke dị ntà ịdị n'etiti usu niile nke nnù abụa na ọgụ iri nke Juda, nime gị ka otù onye ga-esi pụtara m ịbụ onye na-achị achị n'Israel . . .** Mmụọ Okike n'onwe Ya lụrụ ọlụebube nke a. Mpụta-ìhè nke Onye Nzọpụta anyị n'etiti agbụrụ mmadụ bụ ihe-omume kachasị were ọnọdụ ozugbo ma dịkwa kpọmkwem nke sitere na chi dịka o metụtara arụ Ya. Mana n'ebe Mmụọ Ya dị, ọ bụ mwezuga onwe nke a na-amanyeghị Ya amanye n'akụkụ nke Ya - **E mere ka Okwu ahụ ghọọ anụ-arụ . . . Jọn isi mbu ahiri iri na anọ .** Echeghị m na anyị ghọtara na Jisọs mere nhọrọ ịbịa. Jisọs mere nhọrọ ma ọ bụrị nhọrọ nke amara a na-agwaghị agwa. Jisọs Kraist bụ onyinye ịhụnanya nke Chineke nye ụwa; ndi kwere ekwe bụ onyinye ịhụnanya nke Chineke nye Jisọs Kraist. Chee nnọ banyere nke ahụ. Mgbe Jisọs Kraist bịara dịka

onyinye ịhụnanya nke Chineke nye ụwa, ị matara na e bu n'obi na, dịka ị bịara ịmara Jisọs Kraist dịka Onye Nzọpụta nke aka gị, ị bụ akụkụ onyinye ịhụnanya nke a? Ị ghọtara ihe nke a pụtara n'ịba uru nke ịbụ-isi Chineke? Ị ghọtara na ndụ gị abụghị nke gị onwe gị, ọ bụghị naanị n'ụwa ebe a, kama n'ebighị-ebi niile?

Ọ na-agwa anyị na **Timoti nke mbu isi atọ ahiri nke iri na isii - . . . ọ dị ukwu . . . bú ihe-omimi nke nsọpụrụ-Chineke. Emere ka Chineke pụta ìhè n'anụ-arụ** maọbụ dika Baịbụl Amplifaid si kwue ya -

**Ọ bụ kwa ihe a na-ekwuputa na ọ dị ukwu ma bakwa oké uru, bú eziokwu zoro ezo (ihe-omimi zoro ezo) nke nsọpụrụ-Chineke; Onye ahụ Nke emere ka Ọ pụta ìhè n'anụ-arụ, Nke agụrụ Ya n'onye ezi omume nime Mmụọ Nsọ, Nke emere ka ndi-mmụọ-ozi hụ Ya anya, Nke ekwusara Ya n'etiti ndi mba ọzọ, Nke ekwere na Ya nime ụwa, Nke anara Ya n'elu nime ebube.**

Ahiri a dị ebube na-eme ka m sị, n'ime ime onwe m, "Oo bịa, bịa ka anyị jaa Ya mma". Ị ga-eme nke ahụ taa? Ị ga-asị, *'Onyenweanyị, ana m a jaa Gị mma, bụ Kraist Onyenweanyị'.*

Ahụrụ m n'anya ukwe nta a - *Gị, Nwa Dị Nsọ Nke Betlehem***.** Ọ dị Nsọ, Nsọ. Ọ bụ Nwatakịrị ahụ dị Nsọ. Anyị na-anata Mmụọ Nsọ mgbe anyị na-anabata Kraist. Kedụ ihe bụ nke a banyere ibi ndụ nke aka m, nke m na-etinyesighị onwe m ike n'ịdị nsọ?

Gị, Nwa dị Nsọ nke Betlehem,

Rịdatakwuru anyị (ya bụ mụ na gị), ka anyị na-arịọ

Wezuga mmehie anyị, ma bata n’ime;

Ka a mụa Gị nime anyị taa!

Oo, bịakwute anyị; Binyere anyị,

Onyenweanyị Imanuel!

Chineke na-arịọ gị ka ị nabata Ya site n’Ọkpara Ya Jisọs Kraist. Nke a bụ okwu dị mkpa na-agbanwe ndụ nke ga-emetụta ebighị-ebi. Deta akwụkwo ozi taa ka ị nara akwụkwọ nke anyị ga-enye inyere gị aka. *N’aha Jisọs mara mma. Anyị na-ekpere gị ekpere.  Amen.*